# Ihe Ndị Iwu Chọrọ N'aka Ụlọ ọrụ Ndị dị na Ontario

Ghọta ọrụ ndị diịrị gị dịka onye nwé azụmahịa, na ihe ndị ruuru nakwa oke n'ọrụ diịrị ndị na-ewe mmadụ n'ọrụ nakwa ndị e were n'ọrụ na Ontario.

## Iwu na ụkpụrụ maka azụmahịa niile

***Ihe Iwu Chọrọ maka Ọnodụ Ọrụ n'Ụlọ ọrụ***

Mụta ìwúọrụ banyere ụgwọ a na-akwụ ma ọ dịkarịa ala, awa ole aga-arụ ọrụ, ịkwụsi ịrụ ọrụ, oge ezumike ọrụ e chekwara na ihe ndị ọzọ.

***Iwu na-ahụ maka Ahụike nakwa Ọdịmma nke ndị Ewere n'Ọrụ***

Mụta oke n'ọrụ n'ihe ndị ruuru onye ọ bụla nwere n'ebe ụlọọrụ, na ètú e si a kpachara anya maka ihe ndị dị ize ndụ n'ebe ọrụ.

**Ụtụísí na Urugasị**

Gbaa mbọ hụ na ị na-erubeisi n'ihe ìwú chọrọ maka ụtụísí ma mụta maka ọnụego ana-ewepụ na ụtụísí eji ndị Ontario maka azụmahịa na Ụtụísí Ahụike nke onye were n'Ọrụ (ụtụísí a na-ewere n'ụgwọ ọnwa nke ndị were gị n'ọrụ ga-akwụ).

**Ukpuru nduzi na Ntụziaka maka inye ndị nwere Nkwarụ Ohere ha Nhata**

E mebere iwu na ukpuru iji mee ka onye ọbụla nọ na Ontario nweta ohere ha nhata Mụta banyere ihe ndị a chọrọ maka ịnweta ohere ha nhata na ukpuru maka azụmahịa gị nakwa ètú ị ga-esi ede akwụkwọ nkweko na ụkpụrụ nnweta ohere nhata nha.

## Ìwú na ụkpụrụ na-emetụta ụfọdụ azụmahịa

**Ozi inyere ndị azụmahịa aka irube isi na iwu nchekwa ndị na-azụ ahịa**

Mụta ètú ị ga-esi na-erubeisi na ìwú nchekwa ndị na-azụ ahịa ma zere mkpesa ndị na-azụ ahịa.

**Ìwú maka nri na arụmọrụugbo**

Ndi na-ahụ maka nkọpụta nri nakwa orire nri ga-eruberiri isi na iwu na-ahụ na nri dị mma na oriri nakwa iwu nke arụmọrụugbo. Ebe ndị a na-egbu anụ ọ bụla ga-etinyeriri akwụkwọ nnata ikike ma soro ìwú na ihe ndị ìwú chọrọ kpọmkwem gbasatara usoro nhazi anụ.

**Iwu na-echebe gburugburu ebe obibi na-ahụike mmadụ**

Mụta banyere ụdị iwu nchekwa gburugburu ebe obibi dị iche iche nke gị maọbụ azụmahịa gị ga-achọ na ètú ị ga-esi etinye akwụkwọ maka nke ọbụla.

**Maka ọdịmma ụmụ anụmanụ**

Azụmahịa ndị nwere ụmụ anụmanụ na gburugburu azụmahịa ha ga-eruberiri isi na ìwú *Iwu na-achịkwa Ọdịmma Ụmụ anụmanụ*.

**Ụgbọala e ji agbata ego**

Mụta otú ị ga-esi enweta akwụkwọ ikike ị ga-eji na-anya ụgbọala ndị e ji akpata ego, dị ka gwongworo ma ọ bụ bọs.

**Ntụziaka maka Iwu Ulọ na Ontario**

Mụtakwuo banyere ụkpụrụ nduzi maka nchekwa na Ogo ọdịmma nke owuwu ụlọ na Ontario kà azụmahịa gị nwee ike kwekọọ n'ihe ìwú achọrọ maka ihe owuwu na Ontario.

**Azụmahịa n'Ebe Ugwu**

Ị na-arụ ọrụ n'Ebe Ugwu? Lelee ma ị ruru eru maka inweta ọrụ enyemaka nkwado azụmahịa nke dịnụ, ihe nrite ego na mgbazinye ego.

**Mụtakwuo**

maka ihe ndị a ìwú chọrọ na

**Ontario.ca/business**

Ontario